# ỊDỊIKE KARỊA NKE IHEOTITI AHỤ NIILE

## Ọpupu 8:20-32; 9:1-12

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 54 - Nke Ndị etiti

**AMAOKWU IBUN'ISI: "N'aka JEHOVA ka ikpé onye ọ bula nēsi bia" (Ilu 29:26).**

**Etipị ara Ike Ndị mgbasị**

Mgbe iheotiti nke atọ dakwasịrị Ijipt, ndịmgbasị ahụ chọpụtara na ha apụghị ime dịka Moses mere. Etipịara ọbụná ike ntà ha nwere, ya mere anyị anụkwaghị ọzọ na ha mere iheebube ọ bụla.

Ma náánị mmalite igosi ike nke ọlụebube Chineke ka nke a bụ. Anyị chetara na O kwuworị na Ya gaegosi ndị Ijipt onye bụ́ Chineke; dịka ha nọgidekwara náeme ka obi ha sieike megide Ya, O zitere iheotiti nke dị ukwuu karịa.

**Mkpan'aka Chineke Abụghị Ihe Eji Eme Mgbasị**

N'ọlụebube nke mbụ, Chineke gwara Moses ka ọ tụda mkpan'aka ya n'ala, o wee ghọọ agwọ. N'iheotiti nke mbụ na nke abụọ, o setipụrụ mkpan'aka ahụ n'elu mmiri; ma n'iheotiti nke atọ Moses ti kwara mkpan'aka ahụ n'ala uzuzu wee ghọọ anwụntà. Ma n'iheotiti atọ nke náeso ndịa, ọ dịghị kwa ihe anyị nụrụ banyere mkpan'aka ahụ. Ọ bụghị ihe eji eme mgbasị nke pụrụ ịlụ ọlụebube ọ bụla; kama ọ bụ ike nke Chineke nke kwagidere mkpan'aka ahụ lụrụ ọlụebube niile. Mgbe Chineke kwuru na Ya gaje izite odudu (maọbụ ijiji) n'ala ahụ, Ọ sịrị na ha gaapụta n'echi ya; o wee dị otú a, naenweghị okwu ọ bụla Moses kwuru. Ọ bụghị náání na mkpan'aka ahụ ka ike Chineke dị.

**Nkewapụ nke Ndị nke Chineke**

Ahụrụ mkpughe ọzọ nke ike Chineke n'iheotiti ọhụụ a. Ọ dị ka iheotiti mbụ ahụ bịakwasịkwara ụmụ Hibru; ma mgbe nsogbu niile ahụ naadị ukwuu karịa, Chineke kewapụtara ndị Ya site ná ndị Ijipt, wee nápụta ha site ná mmekpaarụ̀ nke ndịiro Chineke gaje ịgabiga.

Asị na nke a yiri iheotiti nke náeso ya, nke bụ́ ọrịa ahụ mere ka anụụlọ niile nwụsịa, mmadụ pụrụ ịsị na o rughị ala Goshen. Ma ònye pụrụ ime ka odudu ghara ifegharị rue ebe ha chọrọ? Odudu ahụ baraụba nke ukwuu, ha jupụtara ụlọ niile kpuchie kwa ala niile. Ọ dịghị ihe eji kpáá ókè n'etiti Goshen na Ijipt nke pụrụ igbochi odudu (maọbụ ijiji) ahụ. Gịnị mere na ogbummiri niile nke óké osimiri asọpụtaghị kpuchie ala niile, ọbụná ebe ala dị n'ụsọosimiri dị larị, ọ dịghị kwa ihe pụrụ igbochi mmiri ahụ ịsụpụta? N'ihi na Chineke ekwuwo, si, "Rue ebe a ka i gābia, ma i gagh-agabiga ya; n'ebe a ka agākwusi kwa npako nke ebili-miri-gi nile" (Job 38:11). Ndị Ijipt gaje ịmata onye bụ́ Chineke, nke Pụrụ Ime Ihe Niile bụ̀! Ya mere Chineke kwụsịrị odudu ahụ ebe Ọ chọrọ ha.

**Mkwenye Náezughị Òkè Nke Fero**

Odudu ahụ kpagburu Fero nke ukwuu, o wee ziga ka akpọọ Moses na Eron ka ha bịa wepụ iheotiti a n'ala ahụ. O kwere ha mkwà na ha gaachụ àjà ha, kama na ha gaanọ n'Ijipt wee chụọ ya. Ụmụ Israel apụghị ime nke a n'ihi ọtụtụ ihe. Nke mbụ, Chineke agwawo ha ka ha jee n'ọzara, ya mere ha aghaghị irubeisi mee dịka O kwuru. Mgbe emesịrị wee nye Israel Iwu, Chineke kwusikwara ya ike na Ya achọghị ka ụmụ Ya náefè òfùfè n'ebe niile ọ bụla, ma ọ bụghị náání n'ebe Ya Onweya rọpụtara ((Deuteronomi 12:11; 14:23; 15:20; 16:2).

Iheọzọ bụ na ndị Ijipt naefè anụ dị icheiche nke ndị Chineke naeji achụàjà; ọ bụrụ na ndị Ju egbue ụmụ anụmanụ ahụ n'iru ndị nwe ala, iwe nke ndị Ijipt gaadakwasị ha. Ọ dị ka Fero ghọtara ihe ha naekwu, wee kwenye ka ha jee n'ọzara ma náání na ha agaghị eje ebe dị anya. Ma ngwangwa odudu ahụ gwụsịrị, n'ihi na ọ dịghị kwa ọbụná otù ntakịrị odudu ọ bụla fọdụrụ mgbe Chineke wepụrụ ha -- o wee si na mkwà o kwere wezuga onweya. Apụghị ịdabere ná mkwà nke ndị náemebiiwu maọlị.

**Emerụrụ Ehi Nsọ Ahụ**

Ndị náachọpụta ihe mere na mgbe ochie ahụtawo ihe odide ụfọdụ n'Ijipt nke náekwu na ndị Ijipt fèrè arụsị dị icheiche nke karịrị puku abụọ na narị abụọ (2,200) n'ọnụọgụgụ. Otù nime ndị kachasị mkpà nime ha, ka ha sịrị na ọ rịdatara n'ụwa n'ụdị ehi; n'ihi nke a ha adịghị egbu ehi ọ bụla n'ihi egwù na ha pụrụ igbu otù nime chi ha. Taa n'Obodo India, anaekwe ka "ehi-nsọ" na-ejegharị n'okpóró ụzọ niile, naabà kwa n'ụlọahịa niile náenweghị onye náegbochi ya. Mgbe ihe otiti nke ise dakwasịrị Ijipt, anụmanụ niile bara urù nwụrụ, tinyere ehi niile nke ndị Ijipt. Chineke anyị eleghị ihe dum ha kpọrọ chi anya n'iru, wee mee ka ike echere na ha nwere bụrụ ihe efu.

Fero maara na ọ bụ ehi na atụrụ ka ụmụ Hibru gaeji chụọrọ Chineke ha àjà, o wee zigaa otù onye ka o jee hụ ma ọ dị nke dị ndụ na Goshen. Ọ dịghị otù nime anụmanụ ha nke nwụrụ! Ma Fero nọgidere n'imesi obi ya ike megide Chineke, wee jụ ime ihe achọrọ ka o mee.

Anyị maara n'ụbọchị taa ọ dị ndị meworo ka obi ha sieike ime ihe ọjọọ; ma ka Chineke ji nsogbu dị icheiche náadọ ha akanántị, otú a ka obi ha na eluilu karịa. Kama ha gaakpọku Chineke ka O mee ebere, ha naakọcha Ya n'ihi nhujuanya ha. Ikpé dị óké egwù na echere onye dị otú a!

**Iheofifi Jọgburu Onweya N’arụ̀ Ndị Ijipt**

Iheotiti nke isii bịakwasịrị ndị Ijipt bụ iheofifi, (maọbụ etuto), ọ bụghị náání n’arụ̀ mmadụ kama n’arụ̀ anụmanụ niile kwa. Ọ bụrụ na ọ dịwọ mgbe etuto toro gị ị gaamatawori ụdị ahụhụ nke iheofifi a pụrụ iweta. Akwụkwọnsọ ekwughị ma ọ dị okwu ọ bụla Moses gwara Fero banyere iheotiti ahụ nke gaje ịbịa; kama o guzoro n’iru eze ahụ, wee fee ntụ n’elu, bụ́ nke ghọrọ uzuzu wee fesasịa n’ala Ijipt niile ma o ruteghị Goshen -- wee mee ka iheofifi malite. N’ezie, Moses na Eron jègharịkwara n’etiti uzuzu ahụ, ma ọ dịghị iheofifi ha nwere, n’ihi na Chineke naelekọta ha.

Ndịmgbasị ahụ enweghịike ime ka iheofifi ahụ ghara ịdịkwasị ha, kama o mekpara ha arụ̀ nke ukwuu nke mere na ha apụghị iguzo n’iru Moses. Ha efewo Setan òfùfè n’ikwesị ntụkwasịobi, ma gịni bụ̀ ụgwọọlụ ha nwetara? Ọ bụghị náání na Setan naeme ka mmadụ kwere ụgha, kama mgbe ha ji ikwesị ntụkwasịobi fèsịa ya òfùfè, ọ naeji ọtụtụ ahụhụ na nsogbu kwụghachị ha ụgwọọlụ; n’ikpeazụ̀ kwa, ha gaanara ikpé niile kachasị ukwuu site n’aka Chineke.

Anyị naahụ́ ebere Chineke nye ndị mmehie nime ihe ndakwasị ndịa. Ọ pụrụ ịnapụ ha échìchè ha maọbụ gbue ha n’otù mgbe ahụ, O nyere ha ohere ka ha chègharịa. Ọ naegosi ha ike niile nke ezi Chineke ahụ ka ha wee ghara ikwu na ihe mere ha ji la n’iyi bụ na egosighị ha ezi ụzọ.

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1. Kpọọ aha iheotiti nke anọ, na nke ise na nke isii.
2. Ọ dị mkpà na Chineke gaeji mkpàn’aka weta iheotiti niile ahụ?
3. Gịnị mere odudu ahụ abanyeghị n’ala Goshen?
4. Ànyị pụrụ ịtụkwasị mkwà ndi náemebiiwu obi?
5. Gịnị mere o ji bụrụ ihe wutebigara ndị Ijipt ókè mgbe ehi ha niile nwụrụ?
6. Gịnị bụ ihe mere ka iheofifi ahụ bịakwasị Ụmụmmadụ?
7. Ndịmgbasị ahụ, hà pụrụ ime ka iheofifi ahụ ghara ịbịakwasị ha onweha?